# ATỤTỤ MGBANWERỊTA MMEKỌRỊTA MMADỤ NA IBE YA N'ỊTỤCHA MMEKỌRỊTA NNE DI NA NWUNYE NWA N'ALA IGBO

**ESTHER OGOCHUKWU AKPULU (PhD)**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**
eo.akpulu@unizik.edu.ng

**&**

**CHIDIMMA PROMISE EZENWAKA**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịtaozi**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**

**Ụmị Edemede**
*Mmekọrịta nne di na nwunye nwa dị nnukwu mkpa n'alụmalụ n'ala Igbo. Ọtụtụ oge, agamnihu ọ kacha nke ezinaụlọ ọhụrụ na-adabere n'ụdị mmekọrịta nke nne di na nwunye nwa a lụrụ ọhụrụ nwere. Oge ụfọdụ, a na-anụ ebe ụfọdụ ụmụagbọghọ na-ekwu na ha achọghị inwe nne di. Nke a bụ n'ihi ebighị n'udo n'etiti ọtụtụ ndị nne di na nwunye nwa ha. Ebumnaobi nchọcha a bụ iji atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya were chọpụta ma tụchaa ihe ndị na-ebute esemokwu n'etiti nne di na nwunye nwa, na ịmata ihe ndị nwere ike inye aka gbochie nsogbu na esemokwu n'etiti nne di na nwunye nwa. E ji atụtụ mgbanwerịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya nke George Casper Homans wepụtara n'afọ 1958 were tụchaa nchọcha a. Atụtụ a na-akọwa na omume mmadụ na-esite n'usoro mmekọrịta dị n'etiti ya na onye ọzọ. Ọ bụ nchọcha nkọwa nke a gbasoro usoro sọvee were mee site n'ịgba ọtụtụ ndị mmadụ gụnyere ụmụnwaanyị bụ ndị nne di na ndị bụ nwunye nwa ajụjụ ọnụ wee nweta ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha. Ọ ga-abara ndị nne na nna, nwunye nwa ọ kachasị ndị na-akwado ịbanye alụmalụ uru n'ihi na ọ ga-agbaziri ha etu ha ga-esi na-ebi n'udo. A chọpụtara na mmadụ ịnabata ndịiche dị n'etiti akparamagwa ya na nke onye ọzọ tinyere ịdị na-enwere mmadụ ndidi na-enyere ụfọdụ nne di na nwunye nwa aka ibi n'udo. A tụrụ aro ka nne di na nwunye nwa na-ebi n'udo ma wepụ ihe ndị ahụ na-ebutere ha esemokwu iji kwalite ịkwụdosi ike nke ezinaụlọ ma wepụ egwu ụfọdụ ụmụagbghọ na-atụ maka inwe nne di.*

## 1.0 Okwu Mmalite

Alụmalụ dị nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ site n'alụmalụ ka ezinaụlọ si amụba. Alụmalụ bụ ihe dị n'etiti nwoke na nwaanyị, nke bụ omenala pụrụ nnukwu iche makana site na ya ka ezi ọmụmụ si apụta. Alụmalụ bụ ezigbo ọnọdụ kwesịrị ma nwoke ma nwaanyị, nke a na-egosi na ọnọdụ alụm di na nwunye bụ ihe nwoke ma ọ bụ nwaanyị ọ bụla na-achọ nke mere na ọ na-adị nwoke ma ọ bụ nwaanyị ọ bụla n'obi na ọ bụ ihe a ga-eme eme. Alụmalụ abụghị ihe gbasara naanị otu nwoke na nwaanyị, kama, ọ bụ mmekọrịta dị n'etiti di na nwunye ndị ọzọ niile nọ n'ezinaụlọ ahụ. Alụmalụ bụ omenala zuru Igbo niile ọnụ. Ndị Igbo kwenyere na nwoke lụọ nwaanyị, ya na nwunye ya e bikọọ ọnụ were nwee ezinaụlọ nke ha, ha ga-ebido mụtawa ụmụ ka ezinaụlọ na ama ha ghara ichi.

Na nkwenye ndị Igbo, otu onye anaghị alụ nwaanyị. Ihe nke a pụtara bụ na nwaanyị ọ bụla a na-alụ n'ezinaụlọ bụ ndị otu ezinaụlọ ahụ niile, ụmụnna na ikwunaibe nke ezinaụlọ ahụ na-alụ ya karịa naanị nwoke nke a kpọrọ di ya. Nwaanyị lụrụ di na ndị ezinaụlọ di ya na-emekọrịta, ọ kacha nne di ya. Ọtụtụ ụmụagbụghọ na-enwe mmasị ịlụ ụmụnwoke ndị nne ha nwụrụla. Nke a bụ n'ihi ụdị akụkọ ha na-anụ na ihe ha na-ahụ gbasara ụfọdụ ndị nne di na nwunye nwa ha. Ọnọdụ enweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne di na nwunye nwa na-echere ụmụagbọghọ alụbeghị di na ndị nke na-akwado ịlụ di aka mgba. Ebumnobi nchọcha a bụ iji atụtụ mgbanwerịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya chọpụta ihe ndị na-ebute esemokwu n'etiti nne di na nwunye nwa n'ala Igbo na ụzọ e nwere ike isi gbochie nsogbu ndị ahụ. Ụfọdụ ndị nchọcha elebara anya na mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ụzọ dị iche iche ma ọ dịbeghị nchọcha gbadoro ụkwụ kpọmkwem n'iji atụtụ mgbanwekọrịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya were nyochaa mmekọrịta nne di na nwunye nwa n'ala Igbo.

Mmekọrịta pụtara ọnọdụ mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa na-emekọrịta ihe, ụzọ mmadụ na ibe ya si emeso onwe ha omume oge ha nwere ihe jikọrọ ha. Nchọcha a lebara anya kpọmkwem na mmekọrịta nne di na nwunye nwa n'ezinaụlọ ndị Igbo. Ọ chọrọ ịza ajụjụ ndị a: Onye bụ nne di na nwunye nwa n'ala Igbo? Kedụ ụdị mmekọrịta na-adị n'etiti nne di na nwunye nwa n'ala Igbo? Kedụ ihe ndị nwere ike ibute ọgbaghara n'etiti nne di na nwunye nwa? O nwere uru na ọghọm nwere ike ịpụta site n'etu nne di na nwunye nwa ya si emekọrịta? Nchọcha a bara uru n'ihi na ọ ga-enye aka ịchọpụta ihe ndị na-ebute nsogbu n'etiti nne di na nwunye nwa ma tụpụta ụzọ ndị a ga-esi gbochie nsogbu ndị ahụ. Ọ ga-enyekwa aka gbaa n'anwụ uru na ọghọm dị n'ụdị mmekọrịta ọ bụla nne di na nwunye nwa na-enwe n'ezinaụlọ Igbo.

## 2.0 Ntụleghari Agụmagụ

Ebe a, a ga-eleba anya n'ịkọwa ọkpụrụkpụ okwu dị na nchọcha a iji kwalite ezi nghọta.

### 2.1.1 Mmekọrịta

Mmekọrịta bụ njikọ dị n'etiti mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa nke nwere ike ịdabere n'ihe dị iche iche dị ka ọdịmma, nkwekọrịta, nkwanye ugwu, ntụkwasi obi ma ọ bụ ịhụnanya. Berschield (1999) kọwara mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị ka njikọ siri ike nke miri emi ma ọ bụ sere elu. Ihe Berschield (1999) na-akọwa bụ na ihe jikọrọ mmadụ na ibe ya nwere ike ịbụ ihe gbara ọkpụrụkpụ ma ọ bụ ihe esighị ike. Mmekọrịta dị ka njikọ dị n'etiti mmadụ abụọ nke dabeere n'ịhụnanya, nkwanye ugwu na ntụkwasị obi. Anyelou (1998) kọwara mmekọrịta dị ka ebe mmadụ abụọ nwere ike ịbịakọta ọnụ ma bụrụ onwe ha kpamkpam. Nke a pụtara mmadụ abụọ ịbịakọrịta ọnụ ma mara onwe ha nke ọma. Coelho (2006) mere a mata na mmekọrịta dị ka mgbanwe nke ume na ụzọ isi gbasaa nghọta anyị banyere ụwa na onwe anyị. Ihe Coelho (2006) na-akọwa bụ na ọ bụ site na mmekọrịta ka mmadụ na ibe ya si aghọta onwe ha nakwa ụwa ha bi n'ime ya.

N'ịga n'ihu, Arundhati (2006) kọwara mmekọrịta dị ka ebe nzukọ dị n'etiti mkpụrụ obi abụọ, nke ebumnuche ha bụ ịzụ onwe ha. Ọ gara n'ihu kwuo na mmekọrịta dị ka nkwekọrịta ijikọ ọnụ na ịnọpụ iche n'otu oge. Lawrence (1925) kọwara mmekọrịta dị ka nzukọ nke mkpụrụ obi abụọ, nke bịarutere nso na mmekọrịta karịrị ihe mberede nke oge, ebe na ọnọdụ. Nkọwa a pụtara na mmekọrịta na-apụta ihe oge mmadụ na ibe ya luru onwe ha nso. Mmekọrịta dị ka ihe dị elu n'ezi alụmdi na nwunye nke uche abụọ, ebe ha abụọ ghọtara na ụtọ na obi ilu nke ndụ na-agbanwekọrịta. Ihe nke a pụtara bụ na mmekọrịta dị nnukwu mkpa n'alụmalụ maka na ọ bụ site na mmekọrịta ka a ga-esi nweta ihe ndị na-eme ka alụmalụ kwụdosie ike.

Frankl (1946) kọwara mmekọrịta dị ka ihe nka nke mejupụtara inweta mmekọ n'etiti mkpa nke onwe na mkpa onye nke ọzọ, ka ha abụọ mezuo. Ihe Frankl na-eme ka a mata bụ na e nwere mkpa nke onwe na nke onye ọzọ nke a na-emezu ma ọ bụ enweta oge mmadụ na ibe ya na-emekọ ihe. Gilbert (2006) na ntụnye nke ya kwuru na mmekọrịta dị ka nkwekọrịta dị n'etiti mmadụ abụọ nwere onwe ha ike ndụ ha n'ogo miri emi na mmekọrịta chiri anya, ịgbali ịghọta onwe ha na nkwụrịta okwu nke ọma, inyere onwe ha aka ito eto na imezu ikike ha. Ihe nke a na-akọwa bụ na mmekọrịta na-eme ka mmadụ na ibe ya ghọta onwe ha ma mejuo nchọrọnandụ ha.

### 2.1.2 Nne Di

Nne di bụ nwaanyị ma ọ bụ nne mụtara nwoke lụtara nwaanyị n'ezi na ụlọ ọ bụla. N'akụkụ nwoke na-alụ nwaanyị, ọ bụ nne ya; ma n'akụkụ nwaanyị nwoke ahụ na-alụ, ọ bụ nne di. Oge ụfọdụkwa, nwaanyị a lụbatara n'ezi na ụlọ na-ewere nwaanyị ọ bụla ọ chọpụtara na ọ bụ ya zụrụ di ya dị ka nne di ma ọ bụ ya mụtara dị ya ma ọ bụghị ya. Nne di bụ nne mụtara di gị. Nne di bụ nne nke nwoke.

### 2.1.3 Nwunye Nwa

Nwunye nwa bụ nwaanyị a lụbatara n'ezinaụlọ. Site n'usoro iwu, nwunye nwa bụ nwunye nwa nne na nna nwoke na-alụ nwaanyị. Nwaanyị ọ bụla na-alụ di bụ nwunye nwa nne na nna mụtara di ya. Ọ bụ nwunye nwa ga-emechaa bụrụ nne di n'ihi na nwaanyị ọ bụla mụtara nwa nwoke na-enwe olileanya na nwa ya

nwoke ga-alụ nwaanyị ma nwee ezinaụlọ nke ya. Oge nke a mere, nwaanyị ọ lụrụ ga-abụ nwunye nwa nyere ya bụ nne nke nwoke na di ya.

**2.2 Atụtụ Nchọcha**

Atụtụ mgbanwerịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya bụ otu n'ime alaka atụtụ mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ George Casper Homans wepụtara atụtụ a n'afọ 1958. Atụtụ mgbanwerịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-ekwu na omume mmadụ na-esite n'usoro mmekọrịta ya na ndị ọzọ. Atụtụ a na-akọwa na "nye" nakwa "nara" na-abụ isi sekpụ ntị na mmekọrịta niile n'agbanyeghị na ogo ha anaghị àhá nhata nha site n'etu mmekọrịta ahụ siri dị. Na mmekọrịta ọ bụla, onye ọ bụla na ndị na-enwe mmekọrịta nwere ihe ọ na-atụ anya inweta n'aka onye nke ọzọ. Atụtụ a na-ekwu na onye ọ bụla na-ewube ụdị mmekọrịta ga-enyere ya aka inweta uru. Mmadụ na-atụnye ógè na íké ya na mmekọrịta naanị oge o nwere ihe ọ ga-erite na ya dị ka ịhụnanya, ugwu, ntụkwasaobi, ego, na ndị ọzọ. Ọ na-akọwa na uru mmadụ na-erite site na mmekọrịta ya na ndị ọzọ kwesịrị ịkarị ma ọ bụ ya na ihe nrite ahara nhata nha.

Atụtụ mgbanwerịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya nwere adịmike n'ụzọ dị iche iche gụnyere, na ọ na-enye aka isikwọ mmekọrịta n'ụdị ime ka mmadụ mata ma ọnọdụ mmekọrịta ahụ ọ baara ya uru ka ọ bụụrụ ya ọghọm; ọ kacha mgbe onye ahụ na-eche na ya na-atụnyekarị ihe iji mee ka mmekọrịta ahụ kwụdo karịa onye nke ọzọ. Atụtụ a rikwara mperi n'ihi na ọ na-agbadokarị ụkwụ na mmetụta na mkpali mmadụ nwere mana ọ bụghị mmekọrịta mmadụ na ibe ya niile ka a ga-asị na ọ bụ maka ihe nrite. Ọzọ, ọ na-eleda omenala na ndịiche n'omenala anya. A họọrọ atụtụ a maka nchọcha a n'ihi na o nyere aka n'ịkọwa ihe e ji enwe ezi mmekọrịta na esemokwu n'etiti ụfọdụ nne di na nwunye nwa.

**2.4 Ntụleghari̩ Edemede Nchọpụta ga**

Ọtụtụ ndị ọkanchọcha e deela ụfọdụ ihe metụtara isiokwu a. Achebe (1958) tụgharịrị uche n'isiokwu gbasara ịbụ nne na mmekọrịta nne di n'ihe gbasara omenala Igbo. Ọ kọwara na ebe nwaanyị nọ n'ụlọ, di ya bụkwa Onyenwe ya na nna ya ukwu. Nke a na-egosipụta ụkpụrụ nna ochie nke omenala Igbo, nke nwere ike ịdị iche na omenala ndị ọzọ.

Fischer (1983) kọwara mmekọrịta nke nne di na nwunye nwa dị ka ngosipụta nke ọgụ na mgba nke na-eso mmadụ ịbịa onye ọbịa nso. Ụmụnwaanyị abụọ a dabere na nlebara anya na nkwado nke nwoke ahụ nọ n'etiti ha ma si otu a bụrụ ndị na-asọ mpi nyegara onwe ha. Ihe Fischer (1983) na-akọwa ebe a bụ na nsogbu nne di na nwunye nwa na-enwe na-agbadọkarị ụkwụ n'ihe nhamahụ na-esochi mmadụ ịnọdebe onye ọ maghị nso. Jeffery na Jeffery (1996) kwuru na a ka nwere alụmalụ ebe nne di ji obi ọcha ya ekwupuru nwunye nwa ya, ebe nwunye nwa dị otu a enweghị ihe ọzọ ọ ga-eme n'abụghị iburu ụkpa ekele na otito na-ehukwasa nne di ya n'isi. Jeffery na Jeffery (1996) tinyekwara na ọtụtụ mgbe, imilikiti nne di na nwunye nwa na-ewebata n'etiti onwe ha nnagide n'ebe ọ dị ukwu nakwa ịhụnanya nyegara onwe ha.

Meril (2007) kwadoro ihe Jeffery na Jeffery (1996) kwuru site n'ịsị na ọ bụ ezie na e nwere ụzọ dị elu nakwa nnukwu oghere n'ebe mmekọrịta ụmụnwaanyị abụọ a dị, ọtụtụ n'ime ha bụ ndị ji ịhụnanya n'ebe ọ dị ukwuu were na-aga njem ha na-aga n'ebe ọ metụtara mmekọrịta ha abụọ. Unigwe (2007) tụlere ọnọdụ mmekọrịta dị n'etiti nne di na nwunye nwa na mpaghara Naịjirịa. Ọ chọpụtara na mmekọrịta a na-emekarị site na atụmanya omenala. Usoro ndị nna ochie, na ọchịchọ maka ike na njikwa. Ọ kọwakwara mmekọrịta dị n'etiti nne di na nwunye nwa dị ka mmekọrịta nke usoro ezinaụlọ na-eme ka ọ bụrụ nke gụnyere iwu, ọrụ na atụmanya nke onye ọ bụla n'ime ezinaụlọ.

N'ime akwụkwọ nsọ (NKJV), a hụtara isiokwu nchọcha a n'akwụkwọ Ruth isi nke mbụ amaokwu nke iri na isii ruo na nke iri na asaa (Ruth 1:16-17). A hụtara mmekọrịta nne di na nuwnye nwa n'ime ndụ Ruth na Naomi. Mmekọrịta dị n'etiti ha abụọ bụ nke nne na nwa, Ruth letara Naomi anya nke ọma etu nwa si eleta nne ya. Naomi n'akụkụ nke ya hụrụ Ruth n'anya etu o si ahụ nwa ya. Ruth gwara nne di ya ụdị okwu nwa na-agwa nne ya. Ọ gwara Naomi na ọ gaghị ahapụ ya, na ọ bụ ebe ọ gara ka ya ga-aga, ebe ọ ga-anọ ka ya

ga-anọ, Chi ọ ga-efe ka ya ga-efe, ebe ọ nwụrụ ka ya ga-anwụ. Ọ gwara ya na ọ bụ naanị ọnwụ nwere ike ikewa ha. Ihe ndị a gosiri na ha abụọ nwere ezi mmekọrịta n'etiti ha. Ha hụrụ onwe ha n'anya dị ka nne na nwa.
E mechaala ntụleghari agụmagụ ma chọpụta na ọ dịbeghị isiokwu lebara anya kpọmkwem n'isiokwu nchọcha a. N'ihi ya, isiokwu nchọcha a kwesịrị ileba anya.

## 3.0 Ntụcha Nchọpụta

### 3.1 Onye bụ Nne Di na Nwunye Nwa n'Ala Igbo

#### 3.1.1 Onye bụ Nne Di n'Ala Igbo

Nne di bụ nne mụtara nwoke lụrụ nwaanyị. Ada Ume mere ka a mata na nne di bụ nwaanyị ahụ zụpụtara nwa ya nwoke, ọ ghọọ dimkpa n'obodo site n'ịlụbata nwaanyị nke aka ya. Ada Ume kọwakwara nne di dị ka nne a na-ahụ anya n'ezinaụlọ. Ọ kọwakwara nne di dị ka nwaanyị na-agba mbọ ma na-enyekwa aka n'ọganihu nwa ya nwoke. Nne di bụ nwaanyị zụpụtara dimkpa, ọ kọwara na tupu nwaanyị ọ bụla a bụrụ nne di, ọ ga-azụpụta dimkpa makana nwaanyị ọ bụla ụmụ ya alụbeghị nwaanyị abụghị nne dimkpa.

Nwabugo Okafọ kọwara na onye bụ nne di bụ nwaanyị mụtara nwa nwoke na-alụ nwaanyị. Ọ kọwakwara nne di dị ka nwaanyị gbanwere aha nna ya hapụ nne na nna ya mụrụ ya, hapụ ebe obibi ha gaa bido ezinaụlọ nke ya, mụọ ụmụ, ụmụ ya ndị nwoke etozukwa lụọ nwaanyị. Ọ bụ oge ahụ ka a ga-akpọzi nwaanyị ahụ nne di. Ada Ume na Nwabugo Okafọ kọwara na e nwere ụdị nne di abụọ nke ha sitere na nhụrụnandụ were nweta. Ụdị nne di abụọ a bụ:

a. Ndị bụ ezigbo mmadụ chọrọ agamnihụ ụmụ ha na ezinaụlọ ha, ndị achọghị nsogbu, ndị achọghị ịta nwunye nwa ha ahụhụ, ndị chọrọ ibi n'udo.
b. Ndị okwu na ụka ndị achọghị ka nwaanyị ọzọ bata na ndụ nwa ha nwoke, ndị chọrọ ka ọ bụrụ sọ ha bụ nwaanyị nọ na ndụ nwa ha nwoke.

Ada Ume mere ka a mata na ụdị nne di nke abụọ bụ ndị na-achọ okwu na ụka, ndị achọghị udo, ndị na-achọ ihe nwa ha nwoke ga-eji agba nwunye ya alụkwaghịm. Mana ezigbo nne di na-achọ ka ezinaụlọ nwa ya nwoke kwụdosie ike.

Ndụ nne di bụ ndụ adịghị mfe maka ọtụtụ ọrụ dịịrị nne di n'ezinaụlọ dị ka, inye nwunye nwa ndụmọdụ na ịkọwara ya ntọala ezinaụlọ di ya. Nkiru Nwaolisa kwuru na ọ bụ ọrụ dịịrị nne di inye nwunye nwa ya ndụmọdụ gwa ya ihe ndị ga-abara ya uru. Ọ ga-enyekwa ya ndụmọdụ n'ebe ọ gbasara ịbụ ezi nwunye nakwa ezi nne. Ọ kọwakwara na ọ bụ ọrụ nne di inye nwa ya nwoke ndụmọdụ gbasara ezinaụlọ ọhụrụ ọ malitere nakwa ihe ndị ọ ga-eme ka a ghara iji ezinaụlọ ya ama atụ ọjọọ.

#### 3.1.2 Onye bụ Nwunye Nwa

Na nkọwa Ijeoma Eze, onye Ụmụawụlụ, nwunye nwa n'ala Igbo bụ nwaanyị ahụ hapụrụ ndị mụrụ ya, ụmụnne ya na ụmụnna a mụnyere ya na ya wee họrọ otu nwoke ka ọ lụọ ya n'ụzọ ọhanaeze nabatara. O kwukwara na nwunye nwa bụ nwata nwaanyị tozugoro ịlụ di ma lụọ di banye n'ụlọ nwoke bido ezinaụlọ nke ya. Ijeoma Eze gara n'ihu kọwaa na nwunye nwa bụ nwaanyị a lụbatara n'ezinaụlọ ọzọ ka ọ bụrụ onye ezinaụlọ ahụ. Nwunye nwa n'ala Igbo dị ka Ijeoma siri kọwaa bụ nwaanyị na-agbanwe aha ya, nwaanyị ga-akwụsi ịza aha nna ya e jiri mụọ ya bịa bidozie zawa nke nwoke bụ di ya. O kwuru na nwunye nwa nwere ikike nke ezi nchekwa nakwa ezi nlekọta anya site n'aka di ya. Ọ pụtara na nne di na nwunye nwa na-arụ ọrụ dịịrị ha n'ezinaụlọ nwere uru ha na-atụ anya irite nke atụtụ mgbanwerịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-ekwu na mgbe ọ dịghị etu a, nsogbu na-adị.

Nwunye nwa bụ nwaanyị ahụ hapụrụ nne na nna ya, ụmụnne ya, ụmụnna ya, ikwunibe ya, ụfọdụ oge agbụrụ ya lakwuru ndị ezinaụlọ, mba nakwa agbụrụ di ya dị ka ndị nke ya, birizie, tụba ma mụba ụmụaka. Ọ na-azụlike ụmụaka ahụ n'usoro obibi ndụ ndị ahụ nakwa na nkwenye ndị ahụ na etu agbụrụ ha si dị, ya na ụmụaka ya na-aza aha ezinaụlọ ahụ ọ banyere na ya, soro ha na-eme ihe ọ bụla bụ nkwenye na omenala ha.

Nwunye nwa nwere ọtụtụ ọrụ chere ya n'ihu, mana nke kachasị nke n'ọrụ ya niile bụ irube isi, nkwanye ugwu na nsọpụrụ ya n'ebe di ya nọ nakwa ilekọta ụmụaka ya na ezinaụlọ ya anya.

**3.2 Ụdị Mmekọrịta na-adị n'Etiti Nne Di na Nwunye Nwa**

A na-ahụta mmekọrịta dị iche iche ọtụtụ oge n'etiti nne di na nwunye nwa. Otu n'ime ndị a gbara ajụjụ ọnụ bụ Nkiru Nwaolisa kọwara na o nwere ọtụtụ ihe dị iche iche nwere ike imetụta ụdịdị mmekọrịta nne di na nwunye nwa, dị ka afọ, nzụlite, omenala na agwa. O kwuru na e nwere ike dị n'ime mmekọrịta a, ebe nne di na-ejidekarị ikike karịa nwunye nwa. Ọ kọwara na ike a nwere ike ibute esemokwu na ọgbaghara, mana na o nwekwara ike ibute mmekọrịta siri ike na nke bara uru.

N'ịga n'ihu, Amaka Ikwukwa kọwara na e nwere ụdị mmekọrịta dị iche iche nwere ike ịdị n'etiti nne di na nwunye nwa. Mmekọrịta nke mbụ bụ mmekọrịta ịdị n'otu na ibi na udo. Ọ kọwara nke a dị ka mmekọrịta ebe ụmụnwaanyị abụọ ahụ ga-enwe nkwekọrịta na ịdị n'otu ma na-akwado ibe ha n'ụzọ mmetụta uche na ihe omume. Mmekọrịta nke abụọ bụ mmekọrịta ebe ụmụnwaanyị abụọ ahụ e jighị anya ahụ onwe ha, ebe ihe gbasara otu onye anaghị amasi onye nke ọzọ, ebe ha abụọ na-agbasi mbọ ike ime ibe ya ihe mgbawa obi.

Ụdị mmekọrịta nke atọ ọ kọwara bụ mmekọrịta ebe ụmụ nwaanyị abụọ ahụ nwere mmetụta dị mma na nke na-adịghị mma n'ebe ibe ha nọ. Amaka Ikwuka gara n'ihu kọwaa na mmekọrịta ịdị n'otu na nkwado nne di na nwunye nwa na-enwe ike ịkwurịta okwu n'ezoghị ọnụ na eziokwu. Ọ kọwakwara na ha nwere ike inwe ntụkwasị obi siri ike na nghọta n'onwe ha. Ha nwere ike inye ibe ha nkwado bara uru mgbe o kwesịrị dị ka inyere ibe ha aka na nlekọta ụmụaka ma ọ bụ ọrụ ụlọ.

Mmesoma Ijezie onye Ihime Mbanọ kọwara na e nwere ụdị mmekọrịta a na-akpọ erughị ibe nso na nke esemokwu. Ọ kọwara na n'ụdị mmekọrịta a, nne dị na nwunye nwa nwere ike ọ na-esiri ha ike ịkparịta ụka n'etiti onwe ha. Ha nwere ike ịghọtahie ebumnobi ibe ha, ma ọ bụ na obi agaghị eru ha ala ịkọrịtara onwe ha ezi mmetụta ha. Nke a nwere ike ịkpata esemokwu na iwe na mmekọrịta ahụ ma butere ha adịghị mma na ahụ erughị ala. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na otu njirimara mmekọrịta erughị ibe nso na esemokwu bụ enweghị ntụkwasị obi. Ha agaghị anọsapụ ahụ ebe ibe ha nọ, ha ga na-anọ na nche mgbe ha nọdebere onwe ha. Ọ kọwara na ụdị mmekọrịta ọzọ a na-ahụ n'etiti ụfọdụ nne di na nwunye nwa bụ nke na-ejupụta n'enweghị nkwanye ugwu n'etiti onwe ha. Nne di ma ọ bụ nwunye nwa nwere ike ịdị na-ahụta na onye nke ọzọ anaghị akwanyere ya ugwu. O nwekwara ike dị onye ọ bụla ka a naghị akwanyere ọkwa ya n'ezinaụlọ ahụ ugwu. Ha nwekwara ike ịdị na-eche na a naghị eji echiche ha akpọrọ ihe ma ọ bụ were ya eme ihe.

Chisom Ndupuechi sitere Agulu kọwara ụdị mmekọrịta a na-ahụ n'etiti nne di na nwunye nwa. Ọ kọwara na e nwere mmekọrịta bụ nke mmetụta nchụpụ. O mere ka a ghọta na ụdị mmekọrịta a bụ nke nwunye nwa nwere ike ịdị na-eche na ọ bụghị otu n'ime ndị ezinaụlọ ebe a na-alụ ya, o nwere ike ịna-eche na ya esoghị na mmemme ezinaụlọ ahụ ma ọ bụ ihe omume ha. Nwunye nwa nwekwara ike ịdị na-eche na a naghị ele ya anya etu e si ele ndị ọzọ ma ọ bụ na a nabataghị ya etu e si nabata ndị ọzọ n'ezinaụlọ ahụ. Ụdị mmekọrịta ọzọ ọ kọwara bụ mmetụta nke iwe. Ọ gara n'ihu kọwaa na nne di na nwunye nwa ma ọ bụ onye ọ bụla n'ime ha nwere ike ịdị na-eche na onye nke ọzọ mejọrọ ya, ma ha nwere ike ijide mmetụta nke iwe ahụ buru ya n'obi nke nwere ike ime ka mmekọrịta ha maa afọ n'ala.

**3.3 Ihe Ndị Nwere Ike Ibute Ọgbaghara n'Etiti Nne Di na Nwunye Nwa**

Ọtụtụ ndị a gbara ajụjụ ọnụ gụnyere Chinaemelum Mbamalu onye Ebem gbara afọ iri isii na ise ma bụrụkwa nne di, na Nkiru Nwaolisa, kọwara na ihe na-ebute ọgbaghara n'etiti nne di na nwunye nwa n'ala Igbo gụnyere: a. Ịgba asịrị, b. A mụtaghị nwa, ch. Anya ụfụ, d. Ndịiche n'ọzụzụ, e. Ajọ Agwa, f. Ịgba n'iro.

**A. Ịgba Asịrị**

Site na nkọwa Chinaemelum Mbamalu, ịgba asịrị na-ebute nnukwu nsogbu n'etiti nne di na nwunye nwa. Nne di nwere ike ịkọrọ ndị ezi ma ọ bụ ndị enyi ya ihe abụghị eziokwu gbasara nwunye nwa ma ọ bụkwanụ na-agbali ime ka ndị ezinaụlọ ndị ọzọ megide nwunye nwa ya. Nwunye nwa n'otu aka ahụ nwekwara ike ime nne di ya otu ihe ahụ, ọ ga-esiri ha ike inwe ezi mmekọrịta. Ifeọma Obinwa kọwara na ịgba asịrị pụrụ ịkpata esemokwu n'etiti nne di na nwunye nwa n'ụzọ dị iche nke gụnyere:

i. Ibute nghọtahie na echiche asị.

ii. Ibute nkewa n'etiti ụmụnwaanyị abụọ ahụ n'ihi na ha nwere ike malite ịhụ onwe ha dị ka ndị iro.

iii Imebi ntụkwasi obi dị n'etiti ha abụọ n'ihi na o nweghịzi onye ga-atụkwasị ibe ya obi.

iv. Ibute mkpasu iwe, n'ihi na onye a na-agba asịrị maka ya ga na-eche na a hafenyela ya n'aka ndị iro ka ha were ya mewe akaje ma ọ bụ ka ha megide ya.

**B. A mụtaghị nwa**

A mụtaghị nwa bụkwa otu n'ime ihe ndị na-ebute nsogbu n'etiti nne di na nwunye nwa. Chinaemelum Mbamalu mere ka a mata n'oge nwaanyị amụghị nwa, o nwere ike ịkpata esemokwu n'etiti ya na nne di ya. Nne di nwere ike ịchọ ka nwunye nwa ya mụọ nwa ngwa ngwa a lụtara ya ma ọ bụrụ na ọ mụghị, ọ ga na-adị ya ka nwunye nwa ya na-egbochi ya inwe ụmụ ụmụ. Nwunye nwa ya n'aka nke ya ga na-eche na a na-acha ya ọkụ ịmụ nwa nakwa na nne di anabataghị mkpebi ya na ya achọbeghị ịmụ nwa. Nne di nwere ike iji ịmụ nwa kpọrọ ihe dị ka ihe dị oke mkpa na ndụ, ebe nwunye nwa nwere ike ọ gaghị ahụta ya etu a. Nke a na-ebute ezigbo esemokwu na ọgbaghara n'ihi na ụmụnwaanyị abụọ a nwere ike na-eche na onye nke ọzọ anabataghị ya.

Nkiru Nwaolisa onye bụ nne di, mere ka a mata n'oge nwaanyị amụtaghị nwa, nne di ụfọdụ na-akpụ ya n'ọnụ. Nke a bụ n'ihi na ndị Igbo kpọrọ nwa mkpa tinyere na a na-ahụta ezinaụlọ enweghị nwa ka ndị enweghị olileanya. Ụfọdụ oge, ọ na-abụ n'ihi amụtaghị nwa nwoke.

**Ch. Anya Ụfụ**

Anya ụfụ dị ka Ifeọma Obinwa siri kọwaa bụ mgbe otu onye na-enwe ụfụ obi na ntaji anya maka ihe onye ọzọ nwere. Ọ gara n'ihu kọwaa na anya ụfụ so n'isi ihe na-akpata esemokwu n'etiti nne di na nwunye nwa. Ọ kọwara na nne di ụfọdụ nwere ike na-enwere nwunye nwa ya anya ụfụ maka ahụ agbọghọbịa ya, ịma mma ya ma ọ bụ ihe ịgara ya nke ọma. Anya ụfụ a nwekwara ike ịbụ n'ihi na nwa ya nwoke na-alụ nwunye ya nke ọma karịa etu di nke ya siri lụọ ya. Nwunye nwa nwere ike na-enwere nne di ya anya ụfụ maka nhụrụnandụ ya, amamihe ya nakwa ọkwa ya n'ezinaụlọ na n'obodo. Anya ụfụ a nwere ike ibute ezigbo ọgbaghara n'etiti ha.

**D. Ndịiche n'Ọzụzụ**

Ndịiche n'ọzụzụ na-eso ebute ọgbaghara n'etiti nne di na nwunye nwa. Ụfọdụ oge, nne di nwere ike nwee ụzọ o si zụọ ụmụ ya nke dị iche n'etu e siri zụọ nwunye nwa ya ma ọ bụ n'etu nwunye nwa si azụ ụmụ nke ya. Nke a nwere ike ibute nghọtahie gbasara ụzọ ịzụ ụmụaka, ịdọ aka na ntị na ihe ndị ọzọ metụtara ọzụzụ

**E. Ajọ Agwa**

Ajọ agwa dị ka Chisom Ndupuechi siri kọwaa so n'isi a hapụrụ kwaba okpu n'ọtụtụ nsogbu nne di na nwunye nwa n'ala Igbo. N'okwu ya ọ sịrị na oge nwunye nwa na-akpa ajọ agwa ma ọ bụ na-eme omume dị njọ n'ezinaụlọ na n'ebe nne di ya nọ, ọ na-ebute nnukwu nsogbu n'etiti ha abụọ. Ọ gụpụtara ajọ agwa dị iche iche nwunye nwa ụfọdụ na-akpa nke na-ebute nsogbu n'etiti ha abụọ dị ka: A kwanyereghị nne di na di ya ugwu ruuru ha, edobeghị ụlọ ọcha, esighị nri, ịkpari nne di na di ya, iti nne di ya ihe, imegbu ụmụnne di ya, na ndị ọzọ.

Ada Ume kọwara na ụfọdụ nne di na-akpaso nwunye nwa agwa adịghị mma nke na-ebute nnukwu nsogbu dị ka: Ịkọcha nwunye nwa ya n'ihu ndị mmadụ, akwanyeghịrị nwunye nwa ya ugwu kwesịrị ya, itinyere

nwa ya nwoke na nwunye ya anya, ịgafe oke n'ọrụ ya dị ka nne di nakwa ịkpari nwunye nwa ya n'ụdị ọ bụla.

**F. Ịgba n'Iro**

Chinaemelum Mbamalu rụtụrụ aka n'ịgba n'iro bụ ihe a na-ahụkarị ebe ụmụnwaanyị ụfọdụ nọ n'ala Igbo ma soro n'ihe ndị na-ebute nsogbu n'etiti nne di na nwunye nwa. Ọ kọwara na oge nwunye nwa bidoro ịgba n'iro, nne di ya agaghịzi eji anya ọma ahụ ya. Ọ gara n'ihu kọwaa na nne di dị etu a agaghịkwa achọ ka nwunye nwa ahụ na-emetụ ihe ọ bụla aka n'ihi na ọ gwala onwe ya na ọ ga-ete ihe ahụ ajọ aka ya. Ọ gaghịkwa ekwe ka ọ na-eru nwa ya nwoke nso ma ọ bụ isi ihe ọ ga na-eri n'ezi na ụlọ. Amaka Ikwuka kọwara na ịgba n'iro na-ebute mgbasa n'ezinaụlọ. Ọ kọwara na o nwere ike ime mgbe di ma ọ bụ nwunye na-eche na onye nke ọzọ na-agba n'iro ma mgbe otu n'ime ha gbara n'iro n'ezie. Ọ kọwara na nke a na-eme ka nne di ghara ịtụkwasi nwunye obi ma mekwaa ka a na-enyo nwunye nwa dị etu a enyo oge niile.

Na ntụnye nke ya, Ifeọma Obinwa kwuru na ụfọdụ oge, ndị nne di ụfọdụ na-akwanye nwunye nwa ha ịgba n'iro. Ọ kọwara na ụfọdụ oge, ọ bụrụ na nwaanyị amụtaghị nwa, nne di ya nwere ike ịcha ya oke ọkụ, ọ gbakwuru nwoke ọzọ ka ọ mara ma ọ ga-atụba ya ime. O nyekwara ọmụmaatụ ọzọ ebe di na-alụ nwaanyị anaghị eleta ya anya nke ọma ọ bụrụ naanị ihe nne ya gwara ka ọ na-eme. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị ga-ewere akpịrị ogologo sowe ụmụ nwoke ọzọ iji nweta ihe na-agụ ha agụụ nke ndị na-alụ ha anaghị emere ha. Ọnọdụ dị etu a na-egbute nsogbu ịgba n'iro.

### 3.4 Ihe na-Eweta Ezi Mmekọrịta n'Etiti ụfọdụ Nne Di na Nwunye Nwa

Ọtụtụ ndị nne di na nwunye nwa na ebikwa n'udo n'ala Igbo, n'agbanyeghị tigbuo zọgbuo a na-ahụ na mmekọrịta ụfọdụ n'ime ha. Adakụ Ọzọndụ, nwunye nwa sitere Ụmụdike kwuru na ezi mmekọrịta na-adị n'etiti nne di na nwunye nwa oge nwunye nwa hụrụ nne di n'anya dị ka nne ya, na-emere ya ihe ọma niile ọ na-emere nne ya mụrụ ya n'afọ. Ọ kọwakwara na mgbe nne di na-ahụta nwunye nwa ya dị ka nwa ya, na-emeso ya etu o si eme ụmụ ya karịa ịna-ahụ ya ka nsogbu na udo ga na-adị n'etiti ha. Ọzọ, mmadụ ịnabata ndịiche dị n'etiti akparamagwa ya na nke onye ọzọ tinyere ịdị na-enwere mmadụ ndidi na-enyere ụfọdụ nne di na nwunye nwa aka ibi n'udo.

Ezi mmekọrịta na-adị n'etiti nne di na nwunye nwa mgbe nwunye nwa weere obi ọcha ya nabata nne di ya. Adakụ Ọzọndụ kwuru na ụfọdụ ụmụ agbọghọ na-ahụta ndị nne di dị ka amosu n'ihi ihe nkiri ha na-ahụ n'ihe onyonyo etu Patience Ozokwo si abụ ajọ nne di nyere ndị nwunye nwa, ụfọdụ na-eji maka ihe ahụ na-ekpe ekpere ka ha ghara inwe nne di. Ọ bụrụ na nne di na-ahụta nwaanyị nwa ya lụbatara ka ngọzi karịa ịna ahụ ya ka ọgbatauhie na onye batara ka o richaa ego nwa ya nwoke, udo ga-adị. Nne di ga-ebu n'uche na e wepụ nwunye nwa ya, na ọ gaghị aza "nne ochie" ma ọ bụ nwee ụmụ ụmụ ga-agba ya okirikiri. Nne di na-eleta nwunye nwa anya, nwunye nwa ya ga na-emere ya ihe niile, etu a ka ọ dịkwa nwunye nwa na-eleta nne di ya anya, na-enweta ngọzị dị iche iche n'aka nne di ya. Nke a dabara n'ihe atụtụ mgbanwerịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-akọwa n'ụdị na ọ bụ etu mmadụ si meso ibe ya omume ga-ebute etu onye nke ọzọ ga-esi mesokwa ya.

### 3.5 Uru na Ọghọm na-apụta na Mmekọrịta Nne Di na Nwunye Nwa

E nwere ọtụtụ uru nne di na nwunye nwa na-erite n'aka onwe ha mgbe ha nwere ezi mmekọrịta. N'echiche Amaka Ikwuka, uru ndị ahụ gụnyere:

a. Ọ na-enye aka ime ka ezinaụlọ na-emekọrịta ihe maka ọdịmma ha.
b. Ọ na-akwalite ntụkwasi obi na nkwanye ugwu maka ịkwụdosi ike nke ezinaụlọ ahụ.
ch. Ọ na-eme ka nwunye nwa na-enweta ezigbo ndụmọdụ ga-abara ya uru.

Nkiru Nwaolisa tinyekwara nne di na nwunye nwa na-erita onwe ha ezi uru oge ha ghọtara onwe ha n'ihi na nne di na-enyere nwunye nwa ya aka oge ọ mụrụ nwa ọhụrụ ma nọrọ n'ọmụgwọ. N'ihi ezi mmekọrịta

dị n'etiti ụmụnwaanyị abụọ a, nne di anaghị ekwe ka nwunye nwa ya tagbuo onwe ya n'ahụhụ oge ọ nọ n'ọmụgwọ.

A chọpụtara site n'ajụjụ ọnụ a gbara ha na uru nne di na-erite n'aka nwunye nwa bụ ebe ọ metụtara ineta ya nka nakwa isiri ya ihe oriri. Adakụ Ọzọndụ kọwara na nwunye nwa na-agbasi mbọ ike ịhụ na agụụ egbughị nne di ya. Ọ kọwara na nwunye nwa cheta ịdị mma ya na nne di ya, ọ ga-agba mbọ ịhụ na ọ na-eleta ya nke ọma.

N'aka nke ọzọ, e nweghị ezi mmekọrịta n'etiti nne di na nwunye nwa na-emebi ihe ebe ọ dị ukwu n'ezinaụlọ. Ọ na-eme ka a ghara inwe onye ya na ibe ya ga na-emekọ. Mmesọma Ijezie kọwara na esemokwu nwere ike inwe mmetụta adịghị mma n'ahụike nke ndị niile o metụtara. O kwuru na ọ na-akpata mmetụta iwe, nke nwere ike imebi ọdịmma nne di na nwunye nwa ya. Ọ kọwakwara na ọ na-ebutekwa ụmụ ụmụ nne di ịbụ 'ọnọ nso eru aka' n'ihi na nwunye nwa agaghị ekwe ka ụmụ ya na-eru nne di ya nso. Ụfọdụ oge, nne di dị etu a agaghị enwekwa ike irite ihe n'aka nwa ya nwoke.

Nwunye nwa n'akụkụ nke ya na-enwekwa ọghọm n'ihi enweghị ezi mmekọrịta n'etiti ya na nne di ya. Chisom Ndupuechi mere ka a mata na ụfọdụ oge, ọ na-ebute ịchụla ma ọ bụ ịgba nwunye nwa alụkwaghịm. O mere ka a mata na oge mmekọrịta dị n'etiti ụmụnwaanyị abụọ a jọrọ njọ, ezigbo nsogbu na-adị n'etiti ha na n'ezinaụlọ ha. Ụfọdụ nne di n'ala Igbo na-eforo ntutu taa iji hụ na ihe ọ bụla gbasara alụmalụ nwunye nwa ya na nwa ya nwoke bụ nke kụrụ afọ n'ala. Ụdị ọnọdụ a na-ebutere nwunye nwa arịrị na ngaramara n'ihi na ọ bụghị nzube dị etu a ka o nwere maka alụmalụ ya. Nke a dabakwara n'ihe atụtụ mgbanwekọrịta mmekọrịta mmadụ na ibe ya na-ekwu na onye ọ bụla n'etiti ndị na-enwe mmekọrịta na-atụ anya inweta uru site na mmekọrịta ahụ.

## 4.0 Nchịkọta Nchọpụta na Mmechi

### 4.1 Nchịkọta Nchọpụta

A chọpụtara site na nchọcha na e nwere ụdị nne di abụọ, nne di chọrọ agamnihu na ọdịmma nke nwa ya nwoke na nwunye ya nakwa nne di bụ onye okwu na ụka nke achọghị ka nwaanyị ọzọ bata na ndụ nwa ya nwoke.

Nchọpụta gosiri na asịrị na-emebi mmekọrịta nne di na nwunye nwa n'ala Igbo. O nwere ike ịgbasa ozi ụgha, mkpasu iwe na obi ọjọọ. Ọ dị mkpa ka nne di na nwunye nwa ghara ịdị na-agba asịrị megide onwe ha n'ihi na ọ na-emebi ihe. A chọpụtakwara na a mụtaghị nwa, anya ụfụ, ndịiche n'ọzụzụ, ajọ agwa na ịgba n'iro na-eme ka a ghara inwe ezi mmekọrịta n'etiti ọtụtụ nne di na nwunye nwa.

Nchọpụta gosiri na isi sekpụ ntị n'ezi mmekọrịta n'etiti nne di na nwunye nwa bụ ịhụnanya, mmadụ abụọ ahụghị onwe ha n'anya agaghị ebi n'udo. A chọpụtakwara na mmadụ ịnabata ndịiche dị n'etiti akparamagwa ya na nke onye ọzọ tinyere ịdị na-enwere mmadụ ndidi na-enyere ụfọdụ nne di na nwunye nwa aka ibi n'udo.

A chọpụtara na oge ezi mmekọrịta dị n'etiti nne di na nwunye nwa n'ala Igbo, nne di na-erite uru n'aka nwunye nwa ya ebe nwunye nwa na-eritakwa uru nke ya n'aka nne di ya. Nchọpụta gosikwara na e nwere ọghọm na-adị n'ihi enweghị ezi mmekọrịta n'etiti ụfọdụ nne di na nwunye nwa ma bụrụ nke na emetụ ha abụọ nakwa ezinaụlọ ha niile.

### 4.2 Mmechi

Nchọcha a e meela ka a mata na ezi mmekọrịta nne di na nwunye nwa na-adabere na ha abụọ ịghọta onwe ha ma na-eleghara ndịiche dị n'etiti ha abụọ anya. Nchọcha a mezuru ebumnobi ya site n'izipụta ihe ndị na-enye aka iweta ezi mmekọrịta n'etiti nne di na nwunye nwa, ihe ndị na-ebutere ha nsogbu nakwa uru na ọghọm na-adị n'ụdị mmekọrịta ọ bụla nne di na nwunye nwa nwere. A tụrụ anya na nchọcha a ga-abara

mmadụ niile ọ kacha ndị nne di, nwunye nwa, na ụmụagbọghọ na-akwado ịlụ di uru n'ụdị onye ọ bụla ga-amata ihe ndị o kwesịrị ime ma ọ bụ izere ka e were nwee ezi mmekọrịta n'ezinaụlọ ọ bụla.

**Edensibịa**


Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart.* United Kingdom: William Heinemann Ltd.

Akwụkwọ Nsọ. *New King James Version*. Columbia: Thomas Nelson Inc.

Anyelou, M. (1998). *A Song Flung up to Heaven*. United States: Random House.

Arundhati, B. (2006). *The Ministry of Utmost Happiness*. United Kingdom: Hamish Hamilton Division of Penguin Books Plc.

Berschield, S. (1999). *Intimate Relationships.* New York: Harpercollins Plc.

Coelho, P. (2006). *The Zahir Portuguese Companhia das Letras*. Salvador: Brazilian Publisher.

Fischer, L. R. (1983). Mothers and Mothers in Law. *Journal of Marriage and Family, 45* (1), 187–192.

Frankl, V. (1946). *Man's Search for Meaning.* Boston: Beacon Press Plc.

Gilbert, E. (2006). *Eat, Pray, Love.* London: Penguin Books Plc.

Jeffery, P. na Jeffery, B. (1996). *"*Don't Marry Me to a Plow Man*."* Women's Everyday Lives in Rural North India West View Press. Boulder: Vistaar Publications.

Lawrence, D. H. (1925). *The Lost Girl*. United States: Thomas Seltzer Plc.

Meril, D. M. (2007). *Mothers In-Law and Daughters In-Law Understanding the Relationship and Friends and Foes.* Praegers: Westpark C.T.

Unigwe, C. (2007). *On Black Sisters Street*. London: Jonathan Cape Imprint of the British Publishing House.